Camden bụ ebe mara mma ịmụta ihe na obi dị anyị ụtọ maka ụlọakwụkwọ anyị pụrụ ịche na ndi ọrụ na-arụsi ọrụ ike kwa ụbọchị iji nye ụmụ akwụkwọ agụmakwụkwọ kacha mma.

Anyị chọrọ ka nwantakịrị Camden ọbụla nwee ebe ụlọ akwụkwọ dị n'ogbe ya nke dabara na mkpa ha nime klassi zuru oke iji nye ha ebe kacha mma ịmụta ihe, mee enyi na ime nke ọma.

Ụlọakwụkwọ dị na Camden n'ofe London nọ na ọnọdụ nrụgide ego na-ariwanye elu.

Mbelata ọnụọgụ ọmụmụ na ezinụlọ ndị sị London kwapụ pụtara na ụmụaka ole ma ole ga-abata n'ụlọ akwụkwọ, nke na eme ka ọnụọgụgụ ụmụakwụkwọ belata na ụlọakwụkwọ ịnwe oghere ndị fodụrụ.

Oghere efu ọbụla pụtara na ụlọakwụkwọ praịmarị na-efunahụ nkezi nke bụ £7,500 nke ego dimkpa gọọmenti na-enye kwa afọ, ebe ụlọakwụkwọ sekọndịrị na-efunahụkwa nkezi nke £9,700 kwa afọ.

Dịka kansul, anyị nwere ọrụ ịhụ na enwere ebe zuru oke, dị elu ma dịkwa mma maka ebe ụlọakwụkwọ na ijikwa ebe ụlọakwụkwọ ndị a nke ọma.

Ebe ọnụọgụgụ ụmụakwụkwọ na-ada, anyị kwesiri ijikwa nke a site n'iso ụlọakwụkwọ na arụkọ ọrụ nkeọma.

N'afọ ndị gara aga dịka usoro nke Mmemme Ịdi mma Ụlọakwụkwọ anyị, anyị na ụlọakwụkwọ ndị nsogbu a metụtara karịsia na-arụkọ ọrụ nkeọma iji kwado ha ma zaa ajụjụ ndị a.

N'agbanyeghị ntinye aka nke onye ọbụla, Ụlọakwụkwọ anọ ka na aga n'ịhụ na-enwe nrugide kachasi njo – gunyere:

- ọtụtụ oghere ọrụ
- ọnụgụgụ ụmụakwụkwọ na-adaada
- ọtụtụ ebe fodụrụ, na:
- nrugide ego na-ariwanye elu.

Ndi ụlọakwụkwọ a bụ:

- St Alban’s Church of England Primary School
- St Joseph’s Catholic Primary School
- St Patrick’s Catholic Primary School
- La Sainte Union Catholic Secondary School

Anyị na ha na-arụkọ ọrụ iji kparịta ihe ndị ọzọ aga eme.

Na Ọktoba 12, 2026, anyị bipụtara akụkọ nke na akwado ka a tulee ọdịnihu nke ụlọakwụkwọ ndị a.

Na Ọktoba 20, Ndị otu Kabịnet nke Camden – otu ndi kansul ukwu – ga ezukọ iji tulee akụkọ ma kpebịe ma ha ọ ga -aga n'ihu na ndụmọdụ ndị ma ọ bụ ha agaghị aga n'ihu.

Na Ọktoba, anyị ga-eme ka ụlọakwụkwọ na ndị nwere mmasị mara ihe gbsara mkpebị ahu na ihe ndi ọzọ aga- eme.

Ọ bụrụ na mkparịta ụka gaa n'ihu, ọdịkwa ka ọ ga - abụ site na Nọvemba 2 rụọ Disemab 14.

A ga-enwe mkparịta ụka maka ụlọakwụkwọ ọ bụla na aga akpọtụrụ ezinụlọ dị ịche ịche banyere nhoro di iche dịnụ.

Ọ bụrụ na mkparịta ụka gaa n'ihu, ndị a bụ nhoro ndụmodụ atụrụ arọ maka ndị ụlọakwụkwọ ọ bụla.

Nhoro nke St Alban’s Church of England Primary School:

- Mbelata na Nọmba Nnabata Ebipụtara (PAN)
- Njịkọta na ụlọakwụkwọ Camden ọzọ, sịte na mmechi St Alban na ịbufe ụmụakwụkwọ n'ụlọakwụkwọ ahụ
- Mmechi nke ụlọakwụkwọ

Nhoro nke St Joseph’s Catholic Primary School:

- Mbelata na Nọmba Nnabata Ebipụtara (PAN)
- Mmechi nke ụlọakwụkwọ

Nhoro nke St Patrick’s Catholic Primary School:

- Mbelata na Nọmba Nnabata Ebipụtara (PAN)
- Njịkọta na ụlọakwụkwọ Camden ọzọ, sịte na mmechi nke St Patrick's na ịbufe ụmụakwụkwọ n'ụlọakwụkwọ ahụ
- Mmechi nke ụlọakwụkwọ

Nhoro nke La Sainte Union Catholic Secondary School:

- Mbelata na Nọmba Nnabata Ebipụtara (PAN)
- Mmekọrịta na ụlọakwụkwọ sekọndịrị ọzọ
- Mmechi ụlọakwụkwọ maka Afọ 7 rụọ 11 ndokwa naani NA idobe na nhazighari nke ndi gafere ndokwa-16 (Afọ 12 to 13/14)
- Mmechi nke ụlọakwụkwọ 7 to 13/14

Anyị na-arụ ọrụ ugbu a na atụmatụ iji hụ na ọ bụrụ na a gaa n'ihu na mkparịta ụka, onye nne na nna na onye nlekọta ọbụla ga-enwe ike ịkwụ uche ha.

Anyị maarala na nke a siri ike ịnu mana anyị kwesiri ime ihe ugbu a iji gbochie ọnọdụ a dị njo na-aga ma chekwuba agụmaakwụkwọ obodo anyị siri ike na-enye ụmụakwụkwọ nile ugbu a n'ọdịnihu.

Chọpụta ihe ndị ọzọ, gunyere mkparịta ụka akwadoro maka ụlọakwụkwọ ọ bụla, ajụjụ na azịza, na ozi kọntakti na **camden.gov.uk/SchoolProposals**

Anyị ga-enye mmelite ọzọ na Ọktoba 21.